Ebonyi Journal of Language and Literary Studies Volume 9 (2) April 2026
VOL 9
EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

# USORO AGỤMAHA ỌGBARA ỌHỤRỤ N'IGBO ẸZAA: MMETỤTA YA NYE USORO OBIBI NDỤ N'ALA IGBO

**Ndụbụisi Joseph Nwanganga[1] || Amarachi Grace Nworie[2]**
Ngalaba Asụsụ na Amụmamụ Asụsụ ga, Mahadum Steeti Ẹbọnyị, Abakaliki
[1]josephnwanganga@gmail.com || [2]nworiegrace90@gmail.com

**Ụmị**
Isi okwu nchọcha a bụ ụsoro agụmaha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa: Mmetụta ya nye usoro obibi ndụ n'ala Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ igosipụta ọnọdụ ịgụ aha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa, iji si etu a gbochie mmetọ a na-emetọ obibi ndụ ndị Igbo site n'ịgụ aha n'Igbo Ẹzaa; ma sikwa etu a kwalite ezi njirimara ndị Igbo. E ji nleta nsonye na mkparịta ụka a hazighi ahazi mere ngwa nchọcha a. A gbasoro abụmoke nakwa agbata afọ sere mmadụ iri na isii dị ka ndị njiri-mee nchọcha a. Ndị nchọcha dị ka otu n'ime ndị Igbo Ẹzaa ji mmekọrịta n'ụdị mkparịta ụka nke na-adị n'etiti ha na ndị ha seere, nweta aha ndị Igbo Ẹzaa na-azagasị na mpụtara ha n'otu n'otu. Aha ndị ahụ ka a gbasoro usoro ndekọ mkpụrụ okwu nweta, kpokoo ma họrọ ndị tozuru dị ka njatụle maka ọrụ nchọcha a. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ abụọ tọsaa ma tụchaa njatụle ndị ahụ a họọrọ maka ọrụ a. Atụtụ abụọ ndị ahụ gụnyere: atụtụ asụsụ na omenala na atụtụ nsochi ọchịchị mbịara-chịwa. N'ikpeazụ, a chọpụtara na agụmaha n'Igbo Ẹzaa n'oge ugbu a ghasara aghasa n'enweghi otu usoro a ma ama. Nke a ka a chọpụtakwara na ọ na-ebute oke ndakpọ nke usoro obibi ndụ n'Igbo Ẹzaa, nsiri-hụ ụwa ndị Igbo, ọdịnala nakwa njirimara ndị Igbo Ẹzaa na Igbo n'izugbe ya. Nke a mere e ji tụta aro ka e mee nchọcha metụta ụzọ nkwalite ezi aha e ji ama ndị Igbo. Ime nke a ga-enye aka n'ịkwalite aha Igbo, ọdịnala na njirimara ndị Igbo, ọ bụghị sọ n'ala Naịjirịa kama na mpụga ya.
**Ọkpụrụkpụ okwu:** agụmaha, obibi ndụ, bịambịa na nkwenye ndị.

**Abstract**
The focus of this study is the modern naming system in Ezaa Igbo and its impact on the sociocultural lifestyle of the Igbo people. The main aim of the research is to highlight the modern naming traditions among the Ezaa people of Igbo, so as to forestall the damages caused by these modern trends in the sociocultural identity of Ezaa people and Igbo in general. The work also aims at promoting the authentic identity of the Igbo people through naming. The study adopted observation and interview methods in data collection. Sixteen (16) participants were selected across different communities as research informants. The researchers, being natives of Ezaa, interacted closely with the people, collecting names used by the Ezaa people and analyzing their meanings and implications. The analytical frameworks used included ethnography of communication and post-colonial theories. Findings showed that modern trends in naming in Ezaa today have caused some deviation from traditional norms, leaving no particular order in the system. The findings also revealed that these changes significantly affect the sociocultural life of Ezaa people, their worldview, traditions, and the general identity of the Igbo people. It recommends further research on ways to promote and preserve Igbo naming traditions, as this will help sustain the cultural values and identity of the Igbo people both in Nigeria and beyond.
**Keywords**: Naming, Culture, Civilization, and Belief.

## 1. Mkpọlite

### 1.1 Ntọ ala

Aha bụ otu ihe kachaa gbaa ọkpụrụkpụ n'igosipụta njirimara ihe ọ bụla. Ọ bụ ezie na onye, ihe, otu, ndị ma ọ bụ ebe ọ bụla nwere ike inwe ọtụtụ njirimara, aha bụ ọkacha na njirimara niile. Ya bụ, tupu e kwuwe okwu njirimara ihe ọ bụla, a ga-ebugodu ụzọ mara aha ihe a chọrọ ịkọwapụta njirimara ya. Ọ bụ naanị oge a maara nke a ka ọ ga-enye aka ịghọta ihe a na-ekwu maka ya.

Ka ọ dị, nchọpụta egosiela na ịgụ aha malitere n'okike ụwa. Mba ọ bụla na-agụ site n'olu asụsụ nke ya. Na nke ọ bụla, ndị Igbo ji aha amata ọtụtụ ihe kwesiri mmata na ndụ na nkwenye ndị Igbo. Nke a mere e ji ahụta aha dị ka ihe na-arụ ọrụ pụrụ iche na ndụ ndị Igbo n'oge gboo.

Ọtụtụ mgbe, aha a na-enye ihe ọhụrụ ọ bụla nwere ike isite n'aha: onye nchepụta ya, onye nkepụta ya, onye dị onye kepụtara ya n'obi, ihe mere n'oge nkepụta ya, mgbe e jiri kepụta ya, otu na njirimara ya bụ ihe, ọrụ, ọghọm ma ọ bụ uru nke ya bụ ihe; ma ọ bụ dị ka onye ma ọ bụ ndị kepụtara ya bụ ihe nwere ike isi chepụta. Nke a dabara n'ilu Igbo, nke kwuru, "A na-ele nwata anya n'ihu na-agụ ya aha". Ya bụ usoro ịgụ aha bidoro na gboo ma dịgide rue ta a.

Etu o sila dị, Umezi (2023) mere ka a mata na ịgụ aha ta a abụghịzị ihe ọ bụ n'ịgụ aha mgbe gboo. Nke a so n'ihe kpatara nchọcha a. Nke a bụ n'ihi na a ghakọọla usoro agụmaha n'ala Igbo. Ọ bụ ezie na ụfọdụ ndị ka na-agbaso usoro agba ochie n'ịgụ aha, mmepe anya na njepụ emeela ka imirikiti aha a na-agụ bụrụ nke na-akpagbu usoro obibi ndụ ziri ezi ọkachasị nye ụmụ afọ Igbo. Ọ bụ nke a mere nchọcha a ji buru n'uche ịchọpụta ma tọsaa ihe banyere ya bụ ọnọdụ agụmaha ọgbara ọhụrụ, iji si etu a mata mmetụta o nwe nye obibi ndụ n'ala Igbo.

### 1.2 Mbunuche nchọcha

Isi mbunuche nchọcha a bụ igosipụta ọnọdụ ịgụ aha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa. Iji nweta ya bụ mbunuche, e ji nkeri mbunuche ndị a rụọ ọrụ:

i. aha ọgbara ọhụrụ n'Ẹzaa
ii. mmetụta aha ọgbara ọhụrụ nye obibi ndụ ndị Igbo

## 2. Ntụleghari agụmagụ

### 2.1. Ntụleghari okwu njimarụ

#### 2.1.1. Aha na ndụ ndị Igbo

Umezi (2023) kọwara aha dị ka ihe e ji mara onye ma ọ bụ ihe ọ bụla, nke sitere n'echiche miri emi nke ndị nyere ya aha ahụ chere. Nke a na-egosi na ihe a ga-akpọ aha aghaghị inwe echiche miri emi. Echiche miri emi n'ebe a bụ echiche nwere ihe nkụzi nye ezi obibi ndụ na mba. Nke ahụ dabara n'ihe Lyons (1977) kwuru metụta echiche ndịnime nke aha ọ bụla. Dị ka o kwuru, echiche ndịnime nke aha na-arụ aka na ihe kpatara e ji gụọ ya bụ aha.

Ka ọ dị, a na-esite n'ịgụ aha ezipụta omenala, ọdịnala, ọdị-be-ndị na nkwenye ndị nke mba ọ bụla. Nke a na-enyekwa ohere isite n'aha nye ọtụtụ ihe nhụba ama metụta nkwenye na atụmanya ezi na ụlọ n'ebe onye

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

a gụrụ aha nọ. Ọ bụ nke a mere Muhammad (2023) ji mee ka a mata na aha karịrị akara njirimara onye. Ọ gbakwụnyere na o so n'abụm mmadụ nke onye. Ya bụ, aha na-egosi ihe onye bụ, nakwa ihe onye ga-abụ. Nke a dabara na nkwenye ụfọdụ mmadụ n'Igbo. Ọ bụ nke a mere ụfọdụ ji agụgharị onwe ha aha ma ọ bụrụ na ọnọdu jọwara ha njọ. Ndị dị etu a na-eche na aha ha na-aza so emekpa ha ahụ.

**2.1.2. Mmetụta aha**

Achoba (2015) mere ka a mata na aha bụ ezi akara ndị Igbo ji amata ihe banyere abụm oke, ebe ọmụmụ, obodo, agbụrụ, okpukpere chi, nakwa ọnọdụ onye n'ezi na ụlọ na n'obodo. Umezi (2023) mekwara ka a mata na akara nhụbama nke e ji amata ebe onye si bụ aha ọdịnala ya. Nke a dabara n'echiche Ezenwafọ-Afụecheta na Onyeọcha (2021), nke kwenyere na aha abụghị sọ ngwa e ji akọ akụkọ, kama na ọ bụ ihe dị mkpa nye obodo; a gbanyeghị na ọ bụ mmadụ ole na ole na-echeba echiche mmetụta oke aha nye: ọdịnala, mmekọrịta ọha na eze nakwa ọchịchị. Jell-Bahlsen (1988) mere ka a mata na aha dị mkpa nye akụkọ ala ndị mba ma ọ bụ obodo. Ọ bụ dabere na nke ahụ ka Kalụ (2024) ji mee ka a mata na a na-akpachapụ anya n'ịgụ aha n'ala Igbo ka a ghara imebi ihe. Nke a bụ ezie maka na e nwere ike isite n'ịgụ aha tufuo njirimara onye/ndị. Ọzọ kwa, e nwekwara ike isite n'ịgụ aha mee mmadụ onye mba ọzọ. Nke a dị mkpa metụta ọnọdụ ndị Igbo, ọkachasị n'oge a, a ghakọrọla ọnọdụ ịgụ aha, nke na a naghịzị ama nke bụ ezigbo ya na ajọ ya. Ọ bụrụ na a hapụ ụdị ọnọdụ a ka ọ gaa n'ihu, njirimara ndị Igbo nwere ike daa mmiri. Nke a nwekwara ike ime ka agbụrụ Igbo chie. Nke ahụ dabakwara n'echiche Ụbahakwe (1982); nke kwenyere na aha na mba ndị isi ojii bụ otu n'ụzọ mpụta ihe nke omenala na ọdịnala, ma nwekwaa ọrụ pụrụ iche n'iwulite ọbụbụ mmadụ nke onye ọ bụla. Echiche abụọ gbara ọkpụrụkpụ pụtara ihe na nkwenye ahụ. Nke mbụ bụ na a na-esite n'aha amata ụdị omenala, ọdịnala ma ọ bụ ọdị-be-ndị nke onye na-aza ya bụ aha. Omorem (1973:15) kwenyekwara na nke a oge o kwuru na, "Aha so, ma bụrụkwa alaka omenala ndị isi ojii, nke na-eme onye isi ojii ọpụrụ-iche". Nke a dabakwara n'ihe a ga-eji mee ihe na nchọcha a maka na e bu n'uche isi na nchọcha a mata etu aha si apụta ihe na mba n'igosipụta ihe banyere ya bụ mba. Mana ka ọ dị, echiche ahụ bụ nke dịbụ ire n'oge gboo tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala anyị.

**2.1.3. Aha na usoro obibi ndụ**

MacMurray (1978) kwuru na aha nwere ikike iwebata akparamagwa dị aṅaa na ndụ onye na-aza ya; ebe ọ bụ ụgbọ njem ndụ nke onye ọ bụla. Nze (1984) kwenyekwara n'echiche ahụ mgbe ọ sịrị na aha na-akpụ onye ma mee ya ọpụrụ-iche na ndụ. A tụlee nke a n'ọnọdụ ọzọ, ọ pụtara na aha nwere ikike ịgbanwe akparamagwa mmadụ. Nke a mere Ehusani (1997) ji kwuo na aha ụfọdụ na-arụ ọrụ mgbanwe akparamagwa.

Nke ahụ bụ ihe a na-ahụta n'oge gboo. Ta a, ọ dị ka a ga-asị na aha a na-agụgasị anaghịzị enwe ezi mmetụta doro anya nye ndụ ụmụ aka n'ala Igbo ọkachasị n'ala Ẹzaa kpọmkwẹm. Ọ bụ nke a bụ ihe kpalitere nchọcha a. E bu n'uche isite na nchọcha a mata ụdị aha ọgbara ọhụrụ a na-agụgasị n'ala Ẹzaa nakwa etu nke ọ bụla si emetụta usoro obibi ndụ na ya bụ mba.

**2.2. Ntụlegharị atụtụ**

**2.2.1. Atụtụ asụsụ na omenala**

Okeke (2017) mere ka a mata na atụtụ a si n'aka Dell Hymes pụta n' afọ 1960. Ọ gbakwụnyere na atụtụ a bụ nke e ji eleba anya n'iwu na-achịkwa iwebata asụsụ na mmekọrịta ọha na eze n'etiti ndị otu mba. Hymes

n'ime Matei (2009:155) sịrị, "Mbunuche atụtụ asụsụ na omenala bụ ijikwa asụsụ nke na-enyere ndị otu mba aka igosipụta ma nwee ntụgharị uche metụta nsiri-hụ ụwa ha". Nke a na-egosipụta atụtụ a dị ka nke e ji enyocha emume n'ụdị asụsụ, nke na-egosipụta ọdịnala, nkwenye na ọdị-be-ndị nke ndị otu mba. Saville-Troike (1997:126) kwukwara na e nwere ike ịhụta mbunuche atụtụ a dị ka, "ịchọpụta ma mee ka ọ pụta ihe bụ ihe niile onye kwesiri ịmata metụta nkwenye na iwu na-achịkwa usoro obibi nke ndị obodo, iji sonye n'ịkwalite ezi uto nke ya bụ obodo".

Ka ọ dị, Ugoọjị (2022) kwuru na atụtụ asụsụ na omenala na-atụle ọnọdụ omenala n'igosipụta akparamagwa ndị mmadụ metụta ọchịchọ na árū̄ nke mba ha hụtara onwe ha. Nke a na-egosi na atụtụ a bụkwa ezi ngwa e nwere ike iji tụlee emume nke mba dị iche iche, iji si etu a gosipụta ihe banyere nkwenye na ọdị-be-ndị nke ya bụ mba. Ebe o si etu a dị, atụtụ a ga-adaba n'ọrụ a. Nke a bụ n'ihi na ịgụ aha bụ otu na emume ọdịnala e ji amata mba ọ bụla ma bụrụkwa nke e ji asụsụ eme. Ọ bụrụ na e were ya mee ihe n'ọrụ a, ọ bụghị sọ na a ga-esi na ya nweta echiche aha metụta mmetụta ndụ ndị mmadụ, kama na a ga-esikwa na ya mee ka o doo anya etu nsiri-hụ ụwa ndị mmadụ si apụta ihe site n'okwu aha.

**2.2.2. Atụtụ nsochi ọchịchị mbịara-chịwa**

Bill, Gareeth na Tiffin (1989) mere ka a mata na atụtụ a pụtara ihe site n'ọrụ Said (1978), Spivac (1988) na Bhabha (1990). O mekwara ka a mara na ndị odee ahụ gosipụtara etu mbịara-chịwa si metụta omenala na ndụ ụfọdụ mba n'otu n'otu. Odo (2017) mere ka a mata na atụtụ a bụ atụtụ agụmagụ, ma ọ bụ usoro e si eleba anya n'agụmagụ nke mba nwerela onwe ya n'aka ọchịchị ọbịarachịwa. Dị ka ọ kọwakwara, o nwekwara ike ịbụ agụmagụ nke ndị ọbịarachịwa dere metụta ọchịchị ha na mba ha weghara. N'aka nke ya, Habbib (2011) hụtara atụtụ a dị ka nke e ji atụle agụmagụ metụtara ọchịchị mbịara-chịwa na mba ọ bụla. Ọ bụrụ na e were nkọwa ndị a mere ihe, ọ pụtara na atụtụ a bụ naanị n'agụmagụ nke mba nwerela onwe ya site n'ọchịchị mbịara-chịwa ka o nwere ike ịrụ ọrụ. Mana a tụlewa agụmagụ a, a ga-ahụ na ọ ghaghị ịbụ maka omenala nke mba nakwa mmetụta ya site n'ọchịchị mbịara-chịwa.

Ọ bụ ezie na atụtụ ahụ na-adị mma n'ọrụ ndị metụtara agụmagụ, agụmagụ ndị ahụ aghaghị ịbụ ngosi akparamagwa ndị mba nye mmetụta mbịara-chịwa na mba ha n'otu n'otu; iji kwalite ezi obibi ndụ ha n'otu n'otu. E were nke a tụnyere ọrụ nchọcha a, ọ pụtara na e nwere ike isite n'ịgbado ụkwụ n'atụtụ a wee zipụta ụzọ e nwere ike isi kwalite ezi usoro obibi ndị mmadụ site n'ịgụ aha.

**2.3. Nchọcha e merela n'isi okwu**

Umezi (2023) mere nchọcha n'isi okwu a kpọrọ Echiche ndịnime n'agụmaha mmadụ n'ala Igbo. Ihe onye nchọcha ahụ bu n'uche bụ ịchọpụta echiche miri emi dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Atụtụ a gbasoro na nchọcha ahụ bụ Atụtụ Echiche Park (2010). Mgbe e mechara nchọcha ahụ, a chọpụtara na ndị Igbo nwere echiche miri emi dị n'aha dị iche iche ha na-agụ mmadụ. Ya bụ na e nwere ihe ndị kpatara ha ji agụ mmadụ aha dị iche iche. Echiche ndị a sitere na nghọta ndị Igbo nwere n'oge ochie nakwa n'oge ugbu a banyere ndụ na ụwa ha nọ n'ime ya. Ụfọdụ ihe ndị ahụ gụnyere: ịgụ oge, nkwenye na ihe ndị mere mmadụ. Nchọcha ahụ na nke a yitere, mana ha abụghị otu ihe. Nke ahụ metụtara echiche niile nke aha a na-agụ n'ala Igbo, ma n'oge gboo ma n'oge ugbu a. Mana nchọcha nke a metụtara naanị agụmaha ọgbara ọhụrụ n'akụkụ ala Igbo. Ka ọ dị, nchọcha ahụ nyere ihe mgbado ụkwụ n'ime nke a.

N'aka nke ya, Ogwudile (2003) mere nchọcha n'ike na ebube dị n'aha mmadụ. Mbunuche ya bụ ịmata etu ọnọdụ na nkwenye ndị si akpali agụmaha. O nweghi usoro na atụtụ a gbasoro mee nchọcha ahụ. Ka ọ dị, nchọcha ahụ chọpụtara na a bịa n'agbụrụ niile dị n'ụwa, ndị mmadụ nwere ihe dị iche iche na-akpalite ha, ha ji aza aha dị iche iche ha na-aza. Ya bụ na o nwere echiche dị n'aha ọ bụla ndị mmadụ na-aza. Nchọcha ahụ bara uru nke ukwuu maka na o nyere aka wepụta echiche dị n'aha ndị mmadụ na-aza. Nchọcha ahụ na nke a yitere n'ihi na ha ncha metụtara aha n'Igbo. Mana ebe nke ahụ bu n'uche ịmata ihe na-akpali agụmaha, nke a na-atụle ihe aha ọgbara ọhụrụ na-eme na ndụ ndị mmadụ.

Ọchanya (2017) n'aka nke ya mere nchọcha maka ịgụ aha n'omenala Igbo dị ka o si metụta Ọnịcha Ado-Igbo. O nweghi atụtụ a gbasoro mee nchọcha ahụ. Nchọpụta sin a nchọcha ahụ gosiri na a bịa n'ala Igbo, aha mmadụ abụghị naanị ihe e ji ama mmadụ. O nwere ozi dị iche iche aha mmadụ na-ezipụta nye ọha na eze. Ọ bụ ya ka aha mmadụ ji ezipụta echiche dị iche iche nke na-apụta n'ụdị akụkọ ihe mere mmadụ na ndụ, nakwa ihe mmadụ na-arịọ ka Chineke meere ya. Ya bụ na ndị Igbo na-esite n'ịgụ aha egosi nkwenye ha nwere banyere ndụ nakwa ụwa ha hụrụ onwe ha na ya. Nchọcha ahụ bara uru maka na o nyere aka n'ịkọwapụta echiche ụfọdụ dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Ya na nchọcha nke a yitere. Ha abụọ na-arụtụ aka n'echiche dị n'aha ndị Igbo na-agụ mmadụ. Ndịmiche dị n'etiti ha bụ na ebe e mere nke ahụ n'Ọnịcha-Ado Igbo, a na-eme nke a n'Ẹzaa Igbo.

**2.4. Atụtụ nchọcha a gbasoro**

A gbasoro atụtụ abụọ rụọ ọrụ nchọcha a. Atụtụ abụọ ndị ahụ bụ atụtụ asụsụ na omenala na atụtụ nsochi ọchịchị mbịara-chịwa. E si n'atụtụ nke mbụ gosipụta ụdị okwu e jigasị agụ aha ọgbara ọhụrụ nakwa echiche aha na ndụ ndị Igbo. N'aka nke ọzọ, e si n'atụtụ nke nsochi ọchịchị mbịara-chịwa wee gosipụta etu bịambịa si bute mgbanwe n'agụmaha ndị Igbo. Mgbanwe a dị ire site na mmekọrịta ndị Igbo na ndị mba ọzọ. Ụdị mmekọrịta a sitekwara na mbata ọchịchị mbịara-chịwa n'ala Igbo. Ọzọ, mgbanwe a na-ahụta n'agụmaha n'ala Igbo bụ otu n'ihe sochiri ọchịchị mbịara-chịwa. Ọ bụ ihe ndị a ka e leruru anya wee hụta atụtụ nsochi ọchịchị mbịara-chịwa dị ka otu n'atụtụ ndị a ga-agbaso n'ịrụ ọrụ nchọcha a.

Ya bụ, ọ bụ ezie na atụtụ ọ bụla n'atụtụ abụọ ndị a a họrọ maka ọrụ a nwere njirimara na mbunuche pụrụ iche, njikọ ha n'ọrụ a ga-eme ka e nwezuo ihe niile a ga-agbado ụkwụ n'ịkọwa ihe niile banyere ọnọdụ agụmaha ọgbara ọhụrụ, na mmetụta ya nye obibi ndụ ndị Igbo.

**2.5 Nchịkọta ntụleghari agụmagụ**

Site na ntụleghari e mere, a chopụtara na ịgụ aha bụ emume bidoro n'okike ụwa, nke na o nweghị mba a ga-asị na ọ mụtara ya amụta. A chọpụtakwara na ọ bụ ezie na mba ọ bụla na-agụ aha, mana ọ bụghị mba niile na-ahụta ịgụ aha dị ka omenala. N'ala Igbo na na ndụ ndị Igbo, a chọpụtara na ọ bụ omenala zuru Igbo ọnụ.

Ntụleghari ahụ gosikwara na a bịa n'echiche ndị Igbo, aha abụghị sọ ihe e ji arụgara onye aka. Ọ bụkwa ihe e ji ezipụta ọdị-be-ndị, nkwenye, ahụmihe, nsiri-hụ ụwa nakwa atụmanya nke ọgụụ (onye na-agụ aha). Ọ bụkwa ihe ndị a na-abụ ihe mgbado ụkwụ n'agụmaha n'ala Igbo.

Ka ọ dị, ntụleghari ndị ahụ gosikwara na bịambịa tinyere mmekọrịka ndị otu mba na ibe ha nwere ike ibute mgbanwe nye ụdị aha a na-agụ ma ọ bụ ụdị aha a na-aza na mba e nwerela ọchịchị bịambịa. Ụdị mgbanwe dị etu a apụtaala ihe n'ụdị doro anya na mba ụfọdụ n'ala Igbo nke Ẹzaa sokwa n'ime ha. Mana o nwebeghi nchọcha doro anya n'igosipụta etu mgbanwe batara n'agụmaha si emetụta ndụ n'Igbo Ẹzaa. Nke a bụ akara nkwado nye nchọcha nke a.

### 3. Ngosipụta na ntụcha njatụle

Mpaghara a zipụtara ma ntụcha njatụle dị ka o si metụta agụmaha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa. E keriri nke a dabere n'ụzọ ndị a:

i. aha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa
ii. mmetụta aha ọgbara ọhụrụ nye obibi ndụ

### 3.1. Aha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa

#### 3.1.1. Ịgụ aha dabere n'ụbọchị Bekee

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu mbụ: Aha sitere n'ụbọchị Bekee**

| Ngụ | Ụbọchị Bekee | Aha | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 1. | Monday | Mọnde | nwoke |
| 2. | Friday | Fraịdee | nwoke |
| 3. | Saturday | Satụdee | nwoke/nwaanyị |
| 4. | Sunday | Sọnde | nwoke |
| 5. | Sunday | Nwaụka | nwoke/nwaanyị |
| 6. | Sunday | Ụkaamaka | nwaanyị |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere n'ụbọchị Bekee.

#### 3.1.2. Ịgụ aha dabere n'okwukwe na Chineke

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu abụọ: Aha sitere n'okwukwe na Chineke**

| Ngụ | Okwukwe e nwere na Chineke | Aha | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 7. | Chukwu na-aza ekpere | Chinaza | nwoke/nwaanyị |
| 8. | Ikpere Chukwu dị mma | Ekpereamaka | nwaanyị |
| 9. | Uche Chukwu ga-eme | Ucheechi | nwaanyị |
| 10. | Chukwu mazụ ihe niile | Chukwuma | nwoke |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 11. | Chukwu bụ eze kachasị | Chibụeze | nwoke |
| 12. | Chukwu na-enye ihe niile | Chinenye | nwaanyị |
| 13. | Nke Chukwu nyere, e jide/were | Nkechinyere | nwaanyị |
| 14. | Ngọzi Chukwu kachasị | Ngọzichukwuka | nwaanyị |
| 15. | Ọgọ Chukwu amaka | Ọgọchukwu | nwaanyị |
| 16. | Oge Chukwu ka mma | Ogechukwu | nwaanyị |
| 17. | Chukwu dị mma | Chidịmma | nwoke/nwaanyị |
| 18. | Oke Chukwu nyere, e were/jide | Okechukwu | nwoke |
| 19. | O nweghi ihe karịrị Chukwu | Ifeanyịchukwu | nwoke |
| 20. | Kele Chukwu maka ihe niile | Kelechukwu | nwoke/nwaanyị |
| 21. | Ọ bụ Chukwu nyere ihe niile | Chinyere | nwaanyị |
| 22. | Ọ bụ chukwu nwe ihe niile | Chinwe | nwoke/nwaanyị |
| 23. | Aka Chukwu dị n'ihe niile | Akachukwu | nwoke |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere n'okwukwe e nwere n'ebe Chukwu nọ dị ka o si metụta okpukpere Kraịst.

### 3.1.3. Ịgụ aha dabere n'okwu aha mbite

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu atọ: Aha sitere n'okwu aha mbite**

| Ngụ | Okwu aha mbite | Aha | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 24. | Peter | Pịta | nwoke |
| 25. | Precious | Preshịọs | nwaanyị |
| 26. | Wisdom | Wịzdọm | nwoke/nwaanyị |
| 27. | Joseph | Josef | nwoke |
| 28. | Linder | Lịnda | nwaanyị |
| 29. | John | Jọn | nwoke |
| 30. | Mary | Meri | nwaanyị |
| 31. | Josephine | Josfịn | nwaanyị |
| 32. | Abraham | Abraham | nwoke |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 33. | James | Jems | nwoke |
| 34. | Moses | Mosis | nwoke |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere n'okwu mbite nke aha Bekee

### 3.1.4. Ịgụ aha site na nsụgharị echiche okwu Bekee bata n'okwu Igbo

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu anọ: Aha sitere na nsụgharị okwu Bekee bata n'okwu Igbo**

| Ngụ | Okwu Bekee | Aha si na nsụgharị ya | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 35. | God's time | Ogechi | nwoke/nwaanyị |
| 36. | Thank God | Kelechukwu | nwoke/nwaanyị |
| 37. | Thank God | Ekenedịrịchukwu | nwoke |
| 38. | Kingdom | Alaeze | nwaanyị |
| 39. | Miracle | Ebube | nwaanyị |
| 40. | God's will | Uchechukwu | nwaanyị |
| 41. | God's will | Mmasịchukwu | nwaanyị |
| 42. | God's will | Otuọsọrọchukwu | nwoke |
| 43. | God's power | Ikechukwu | nwoke |
| 44. | Grace of God | Amarachukwu | nwaanyị |
| 45. | Gift | Onyinye | nwoke/nwaanyị |
| 46. | Love | Ịfụnanya | nwaanyị |
| 47. | Peace | Udo | nwoke |
| 48. | Good news | Oziọma | nwaanyị |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere na nsụgharị echiche okwu Bekee.

### 3.1.5. Ịgụ aha site na mme mme mbịa mbịa

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu ise: Aha sitere n'emereme ndị ụka Kraịst**

| Ngụ | Mme mme mbịa mbịa | Aha | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 49. | emume Ekeresimesi | Ịmanụẹl | nwoke |

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

| | | | |
|---|---|---|---|
| 50. | emume Ekeresimesi | Ịmanụẹla | nwaanyị |
| 51. | ofufe ụbọchị ụka ndị nke Kraịst | Ụkamaka | nwaanyị |
| 52. | ọgbakọ ekpere ndị ụka Kraịst | Ekpereamaka | nwaanyị |
| 53. | ofufe ndị ụka Kraịst | Ifechukwudịmma | nwaanyị |
| 54. | ofufe ụbọchị ụka ndị nke Kraịst | Sọnde | nwoke |
| 55. | ofufe ụbọchị ụka ndị nke Kraịst | Nwụka | nwoke/nwaanyị |
| 56. | emume Mbugo n'elu igwe nke ndị ụka Kraịst | Azọmta | nwaanyị |
| 57. | emume Ịtụrụ ime n'ejighi njọ nke ndị ụka Kraịst | Ịmakụlet | nwaanyị |
| 58. | emume Mbilite n'ọnwụ nke Kraịst | Mbilite | nwoke/nwaanyị |
| 59. | emume Ngarube nke obe nke ndị ụka Kraịst | Obensọ | nwoke/nwaanyị |
| 60. | emume Ncheta ọnwụ Kraịst | Fraịdee | nwoke |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere mme mme ndị ụka Kraịst.

### 3.1.6. Ịgụ aha site na mkpọbiri aha

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu isii: Aha sitere na mkpọbiri aha**

| Ngụ | Aha nzuru oke | Aha mkpọbiri | Abụmoke |
|---|---|---|---|
| 61. | Nkechukwunyere | Nkechi | nwaanyị |
| 62. | Nkeiruka | Nkiru | nwaanyị |
| 63. | Nkeiruka | Iruka | nwoke |
| 64. | Onyebụchukwu | Onyebụchi | nwoke/nwaanyị |
| 65. | Iroegbunam | Iroegbu | nwoke |
| 66. | Chukwuamanda | Amanda | nwaanyị |
| 67. | Ọlụebubechukwu | Ebube | nwoke/nwaanyị |
| 68. | Nkemakọnam | Nkem | nwoke/nwaanyị |
| 69. | Ụzọamaka | Amaka | nwaanyị |
| 70. | Ndidiamaka | Amaka | nwaanyị |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 71. | Nwakamma | Nwaka | nwaanyị |
| 72. | Nwakaego | Nwaka | nwaanyị |
| 73. | Ekpereamaka | Ekpere | nwaanyị |
| 74. | Ekpereamaka | Amaka | nwaanyị |

Tebulu ahụ gosiri aha sitere na mkpọbiri aha site n’aha dịbụ adị

**3.2. Mmetụta aha ọgbara ọhụrụ nye obibi ndụ n’ala Igbo**

**3.2.1. Iwepu echiche n’aha Igbo**

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu asaa: Okwu na-enweghi mpụtara e ji mere aha n’Igbo**

| Ngụ | Aha nwere echiche | Okwu na-enweghi mpụtara e ji mere aha | Nsupe ha n’Igbo |
|---|---|---|---|
| 75. | Chisịmdị | Simdy | Simdị |
| 76. | Okwuchukwu | Okwy | Okwii |
| 77. | Ngọzi | Ngor | Ngọọ |
| 78. | Mụnachiso | Munar | Mụna |
| 79. | Ọlụchi | Olly | Ọlịị |
| 80. | Ọbịageri | Obby | Ọbyịị |
| 81. | Nkechi | Nky | Nkii |
| 82. | Chiemeka | Emmy/Mekus | Emii/Mekus |
| 83. | Onyinyechi | Onyii | Onyii |
| 84. | Chukwuma | Chuks | Chuks |
| 85. | Nnamdị | Andy | Andị |
| 86. | Chinelo | Neli | Neli |
| 87. | Obinna | Obyno | Ọbaino |
| 88. | Uchenna | U.C | Yuusi |
| 89. | Azụbụike | Zubby | Zubi |
| 90. | Chimakarịsịrị | Marisa | Marịsa |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 91. | Onyebụchi | Buchi | Buchi |

Tebulu ahụ gosiri mkpọbiri aha Igbo nke mere ka echiche aha fuo.

### 3.2.2. Iwebata asụsụ ọgwarọgwa n'aha ndị Igbo

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu asatọ: Asụsụ ọgwarọgwa n'aha ndị Igbo**

| Ngụ | Aha | Asụsụ ọgwarọgwa n'aha ndị Igbo |
|---|---|---|
| 92. | Ogebest | Igbo na Bekee |
| 93. | Ndụbenz | Igbo na Bekee |
| 94. | Chiibaby | Igbo na Bekee |
| 95. | Ndụmore | Igbo na Bekee |
| 96. | Sam-Okorye | Bekee na Igbo |
| 97. | Frank-Ude | Bekee na Igbo |
| 98. | Udo-God | Igbo na Bekee |

Tebulu ahụ gosiri aha pụtara ihe site n'asụsụ ọgwarọgwa

### 3.2.3. Ịgbaso usoro okwu Bekee n'odide aha Igbo

Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:

**Tebulu itenaanị: Aha Igbo e dere n'usoro okwu Bekee**

| Ngụ | Aha Igbo | Usoro odide Bekee |
|---|---|---|
| 99. | Nwaafọ | Nwafor |
| 100. | Mmụọ | Moor |
| 101. | Mmụọma | Momah |
| 102. | Udo | Udoh |
| 103. | Ụzọ | Uzor |
| 104. | Imo | Imoh |
| 105. | Okeafọ | Okafor |
| 106. | Oke | Okeh |
| 107. | Itumo | Itumoh |
| 108. | Iko | Ikoh |

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

Tebulu ahụ gosiri odide aha Igbo site n'usoro Bekee

**3.2.4. Iwebata mgbagwọ echiche n'aha** Igbo
Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:
**Tebulu iri: Mgbagwọ echiche n'aha ndị Igbo**

| Ngụ | Aha | Echiche mbụ | Echiche abụọ | Echiche atọ | Echiche anọ | Echiche ise |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 109. | Ike | ike nna | ike chukwu | Ike m efula. | ike okwu | |
| 110. | Amaka | Chi amaka. | Ndidi amaka. | Nne amaka. | Ụka amaka. | Ụzọ amaka. |
| 111. | Ndụ | ndụ kwe | Ndụ bụ isi. | Ndụ ji fe. | Ndụ ka. | Ndụ si na chi. |
| 112. | Okwu | okwu chi | Okwu dịrị Chukwu. | okwu nna | okwu ọma | ike okwu |
| 113. | Chika | Chi ka ọ dịrị. | Chi ka dibịa. | Chi ka m so. | Chi ka mma. | Chi ka m ma. |
| 114. | Sịmdị | Chi sịrị m dị. | Nna sịrị m dị. | Ikwu sịrị m dị. | Onye sịrị m dị? | Ị sịrị m dị. |
| 115. | Ada | ada ugo | ada eze | ada obi | ada nna | ada nne |
| 116. | Uche | uche nna | uche chi | Onye ma uche? | A ma uche? | A maghị uche. |
| 117. | Obi | obi ọma | obi nna | obi ọha | obi m | obi ọha |
| 118. | Ugo | ugo nna | ugo chi | akwa ugo | ugo eze | Nna nyere ugo. |
| 119. | Ọgọ | ọgọ nna | Ọgọ bụ chi. | Ọgọ erila m. | Ọgọ amaka. | Chi nwe ọgọ. |
| 120. | Chima | Chi ma ije. | Chi ma uche. | Chi ma obi. | Chi ma mkpa. | Chi ma ụzọ. |

Tebulu ahụ gosiri aha nwere ọtụtụ echiche n'otu n'otu.

**3.2.5. Ịtụfu njirimara ndị Igbo**
Nke a pụtara ihe na tebulu a na-eso:
**Tebulu iri na otu: Aha na-atụfu njirimara ndị Igbo**

| Ngụ | Aha | Njirimara |
|---|---|---|
| 121. | Mọnde | Ụbọchị Bekee |
| 122. | Pita | Ụka Kraịst |
| 123. | Ayọ | Okwu Yoruba |
| 124. | Mọhamed | Okpukpere Ịzlam |

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

| | | |
|---|---|---|
| 125. | Pọl | Okpukpere Kraịst |
| 126. | Preshịọs | Okwu Bekee |
| 127. | Chukwubụeze | Okpukpere Kraịst |
| 128. | Rita | Okpukpere kraịst |
| 129. | Ịmakụlet | emume ndị ụka Kraịst |

Tebulu ahụ gosiri na aha na-eme ka njirimara Igbo Ẹzaa fuo.

**4.1. Nchịkọta ihe a chọpụtara**

Usoro agụmaha ọgbara ọhụrụ n'Igbo Ẹzaa emeela ka e lefere anya n'ọnọdụ a na-agbado ụkwụ n'agụmaha ndị Igbo. Imirikiti anaghịzị agbado ụkwụ n'ọnọdụ ndị ahụ wee na-agụ aha Ọnọdụ ndị ahụ gụnyere: ụbọchị Igbo, ebe ọmụmụ, aha anụmanụ dị ezi na ụlọ n'obi, aha arụsị dị ezi na ụlọ n'obi, aha onye e chere lọrọ ụwa, emume ọdịnala, aha osisi dị ezi na ụlọ n'obi, aha ngwa/onye ma ọ bụ ihe bara oke uru na abụmokenye. Imirikiti n'ihe ndị ahụ nweere ọtụtụ uru ha bara na ndụ ndị Igbo Ẹzaa. Ilefere ha anya n'agụmaha na-eme ka e chefuo uru ndị ahụ ha bara n'otu n'otu. Nke a nwekwa mmakpa ahụ nye ndụ na obibi ya n'ala Igbo.

A na-esite n'ịza aha ha egosipụta mkpa ha dị maka ezi uto, mmekọrịta na agamnihu. Mana mwezụga e wezụgara ha n'agụmaha ọgbara ọhụrụ emeela ka ụmụ aka ugbu a ghara ịma uru ihe ndị ahụ bara n'ihi na o nweghizi ka e si egosipụta ma ọ bụ echeta ezi mmetụta site n'ịgụ aha. Nke a so n'ibute oke ndakpọ nke ezi akparamagwa na ndụ ụmụ aka ugbu a.

**4.2. Mmechi**

Nchọpụta si na nchọcha a gosiri na agụmaha ọgbara ọhụrụ na-esite n'echiche bịambịa. Ka ọ dị, a chọpụtakwara na ọ bụ ndị na-amaghị ihe banyere ọdịnala Igbo nakwa ndị kpọrọ ya asị bụ ndị na-eji usoro agụmaha bịambịa eme ihe. Mana ihe jọrọ njọ bụ na ndị dị etu a karịrị ndị ji ọdịnala Igbo kpọrọ mkpa n'ọnụ ọgụ. Nke a ka a chọpụtara na ọ bụ ya mere usoro agụmaha ọgbara ọhụrụ ji adagbu usoro nke ọdịnala. Nke a na-ebute oke ndalazụ n'ezi omume, nkwenye na ezi mmekọrịta n'etiti ụmụ afọ Igbo.

**4.3. Aro**

N'ihi nchọpụta sitere na nchọcha a, ọ dị mkpa na a tụtegharịrị echiche ndị mmadụ n'ọrụ aha na-arụ n'ịkwalite ezi nkwenye na obibi ndụ nke ndị mmadụ. N'ihi nke, ọ dịkwa mkpa ka e mee nchọcha metụta ụzọ nkwalite ezi aha e ji ama ndị Igbo.

**Nrụmaka**

Achoba, A. (2015). Personal names and naming in Igala. Nchọcha Ph.D. Ahmadu Bello University Zaria.

Bhabha, H. K. (1990). *Nation and narration.* Champion and Hall.

Bill, A., Gareeth, G. and Tiffin H. (1989). *The empire writes back: Theory and practice in postcolonial literatures.* Routledge.

Ehusani, G. O. (1997). *An Afro-Christian Vision "Ozovehe!"* The Ambassador Publications.

Ezenwafọ-Afụecheta C. I. and Onyeọcha, I. J. (2021). The Dynamics of name-taking in Igbo society. *OCHENDO: An African Journal of Innovative Studies,* 2 (1), 316-328. Ụbọchị mbutu: 01/01/2025.

Habbib, M. A. R. (2011). *Literary criticism: From Plato to the present. An introduction*. Blackwell Press.

Jell-Bahlsen, S. (1988). "Names and naming: Instances from Oru-Igbo." *Dialects Anthropology*, 3 (2), 199-207.

Kalu, E. I. (2024). Pet-naming in Igbo land: A sociolinguistic study. https://www.researchgate.net/publication/382862591. Ụbọchị mbutu: 01/01/2025.

Lyons, J. (1977). *Semantics 2.* Cambridge University Press.

Macmurray, J. (1978). *The Structure of Marx"s World View*. Princeton University Press.

Matei, M. (2009). "The ethnography of communication." *Bulletin of the Transilvania University of Brasov*, 2 (51).

Muhammad, D. (2023). "Child naming and the need for cultural decolonization." *Initiatives Among the Hausa in Northern Nigeria. Curriculum Perspectives*, 43 (1), 23-31. Ụbọchị mbutu: 01/01/2025.

Nze, B. C. (1984). "The art of naming among the Igbo." *Nsukka Journal of the Humanities*.

Ọchanya, R. (2017). "Onicha Ado n'Idu; Naming rites and traditions of the Igbo of Nigeria." *The Guardian News Paper,* 27th September.

Odoh, C. O. (2017). "Postcolonial literary criticism." N'ime Mbah, B. M. (Ọhz.), *Theories of contextual linguistics* (ihu 216-223). Amaka Dreams.

Ogwudile, S. (2003). *Power and might in names (a reflection)*. Rojoint Communication Services.

Okeke, G. T. (2017). "Ethnography of communication." N'ime Mbah, B. M. (Ọhz.), *Theories of contextual linguistics* (ihu 160-170). Amaka Dreams.

Said, E. W. (1978). *Orientalism.* Routledge and Kegan Paul.

Saville-Troike, M. (1997). "The ethnographic analysis of communicative events." N'ime Coupland, N. & Adam, J. (Ọhz.), *Sociolinguistic: A reader and coursebook* (ihu 126-144). Palgrave.

Spivac, G. C. (1988). "Theory of postcolonial criticism." https://wn.wikipedia.org/wiki/.Subaltern-postcolonialism Ụbọchị mbutu 02/01/225.

Ubahakwe, E. (1982). *Culture Content of Igbo Names: Igbo Language and Culture*. University Press.

Ugorji, N. F. (2022). "Honorifics and humilifics in Ngwa-Igbo: A socio-semantic analysis." *Journal of the Nigerian Languages Project*, 4, 20-44.

Umezi, P. I. (2023). "Echiche ndịnime n'agụmaha mmadụ n'ala Igbo." *International Journal of Igbo Scholars Forum Nigeria,* 16 (1), 180-199.

This journal publishes articles under the Creative Commons Attribution 4.0 International License (CC BY 4.0). https://creativecommons.org/licenses/by/4.0/